# NDỤMỌDỤ NKE PỌL NYE NDI-FILIPAI

**Ndi Filipai 1:1-7, 27-30; 2:1-30.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 405**

**Nke Ndiokenye**

**AMAOKWU IBUN’ISI: “Unu emela ihe ọ bụla n’ụzọ ikpa-iche-iche ma-ọbu n’uzọ ichọ otuto efu, kama n’obi di ume-ala nāguritanu ibe-unu na ndi ka unu onwe-unu nma” (Ndi Filipai 2:3).**

**I Okwu Dị Icheiche Nke Ịhun’anya**

1 Pọl naagwa ndị Filipai ahụ nke kwereekwe okwu wee náenye ekele n’ihi mnwekọ nke ha naenwekọrịta, Ndi Filipai 1:1-5.

2 O nwere ntụkwasịobi na ọlụ nke Kraist gaesite n’aka ha baaụba, Ndi Filipai 1:6, 7.

**II Ndụmọdụ Enyere Maka Iguzosiike**

1 Ọ naagba ha ume ka ha náebi ndụ kwesịrị NdịKraist mgbe niile, Ndi Filipai 1:27; I Timọti 4:12.

2 Ijéijè ná mmeri nke NdịKraist bụ ọñụ ha, ọ bụghị ibuarọ dịka ndị náemegidi ha ga náechè, Ndi Filipai 1:28-30.

**III Ịhụn’anya, Ịdị n’otù na obiumeala**

1 Ọñụ nke Pọl bụ na NdịKraist ndịa naebi n’udo na ịdịn’otù, Ndi Filipai 2:1-4; Ndi Efesọs 4:1-3.

2 Ha kwesịrị inwe uche nke Kraist ma jee kwa ije n’obiumeala, dịka Kraist mere, Ndi Filipai 2:5-8.

3 N’ihi obiumeala na nrubeisi, Chineke ebuliwo Kraist elu, Ọ gaeme, kwa ka onye ọ bụla kpọọisiala nye Ya n’inye Chineke bụ́ Nna otuto, Filipai 2:9-11.

**IV Ndị Kraist Naerube0.0.isi Dị ka Ìhè**

1 Chineke naalụpụta uche Ya na nzọpụta Ya nime OnyeKraist ahụ kwesịrị ntụkwasiobi, nke naerubeisi, Ndi Filipai 2:12, 13.

2 Ịgbaàmà dị ndụ nke OnyeKraist naenwù dịka ìhè nime ụwa nke gbara ọchịchịrị, Ndi Filipai 2:14-28; Ndi Efesọs 5:8; I Ndi Tesalọnaika 5:5.

**V Ndị Náejé Ozi**

1 Timọti kwesịrịntụkwasịobi, ma ndịọzọ naachọ ọdịmma nke ha, Ndi Filipai 2:19-24; 2:4; I Ndi Kọrint 10:24.

2 Epafrọdaitọs, bụ́ onyeagha nke kwesịrịntụkwasịobi nke mụ na ya naebukọ agha, rịaraọrịa ma Chineke napụtara ya, Ndị Filipai 2:25-28.

3 Agáeji ọñụ nabata ya dịka onye wereworo ihe ya niile nye n’ihi ijere Kraist ozi, Ndị Filipai 2:29,30.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Mmetụta nke Pọl na ndụmọdụ ya niile nye nzukọ a dị na Filipai sitere n’obi nke naenwe mmetụta dịka nke nna naenwe n’ebe ụmụ ya nọ. Nzukọ a nwere mmalite ya site ná nchègharị nke Lidia, onye ahụ naere purple (ihe eji esiji ákwà ododo). Pọl hụrụ ọ̀hụ̀ n’abalị banyere otù nwoke nke Masedọnia nke náasị, “Gabita na Masedọnia, yere ayi aka.” O kwenyere na nke a sitere na Chineke, mgwamgwa o wee rapụ Troas ịba nime Masedọnia ebe Lidia ghọrọ onye Europe mbụ́ nke emere ka o kwere n’okpukpé nke NdịKraist ná mmalite nke nzukọ Kraist n’ebe ahụ (Ọlu Ndi-ozi 16:9-15). Agwọrọ nwaagbọghọ ahụ nwere mmụọ ịgbaafa n’oge náadịghịanya wee mee kwa ka o chègharịa, dịka emere onyenchè ahụ nke ụlọmkpọrọ ndị Filipai na ézìnaụlọ ya. Náenweghị obiabụọ mmadụ olenaole ndịa bụ ndị ejiri malite òtù nke ndị kwereekwe a. Esitere na Rom deta akwụkwọozi a mgbe atụbara Pọl n’ụlọmkpọrọ n’ebe ahụ.

**Okwuekele**

Pọl naekele ndịnsọ nke nọ na Filipai, naekele ndị bishọp na ndị náejere Nzukọ Kraist ozi (deacons), náegosi na nzukọ ahụ nwere usoro dị mma nke esi elekọta ya ma bụrụ kwa nke ihe náagara nkeọma. Mgbe ọ bụla o chetara ha ọ naañụrịọñụ n'ihi ọlụ ahụ nke Chineke lụworo n'etiti ha. O nwere ntụkwasịobi na Chineke gaalụzu ọlụ ahụ nke Ọ maliteworo. Ekpere ya niile pụrụ ịbụ ekpere nke inyeekele na otuto n'ihi mnwekọ ahụ nke ya na ndịnsọ ahụ nọ na Filipai nwekọrọ. Ezi mnwekọ nke Oziọma adabereghị náání na mgbe mmadụ na ibe ya nọkọtara n'otù ebe n'otù oge ahụ, kama ọ bụ inwe mmekọrịta nke imemmụọ. Ndị ahụ ha na Chineke dị n'otù, ndị náerubekwaisi n'Okwu Ya ha na Chineke na ndị nke Chineke naenwe mnwekọ.

**Ịnọgidesiike**

Ndụmọdụ nke Pọl nye NdịKraist ndị nọ na Filipai bụ ka ịkparịtaụka ha, maọbụ omume ha, bụrụ nke gaewetara Oziọma Kraist otuto. Ọ matara na ụfọdụ mmadụ gaasị na ha bụ NdịKraist bụ́ ndị ndụ ha gaegosi na ha abụghị. Ọ chọghị ka ha bụrụ ndị gaeguzo náání mgbe ọ nọ n'etiti ha, kama ma ọ nọ n'etiti ha maọbụ na ọ nọghị ya ha gaabụ ịgbaámá dị ndụ nke náegosi ike nchebe ahụ nke dị nime Oziọma. Ọ bụrụworị eziokwu nke sitere n'ọgbọ rue n'ọgbọ na ụfọdụ esowo Chineke n'ikwesintụkwasịobi mgbe ha nwere ndịndú siriike nime mmụọ, ma mgbe ndị ndú ndịa gabigasịrị, okwukwe ha wee malite ịdà. Chineke chọrọ ka anyị guzo ọbụná ma asị na ọ bụ náání anyi na eguzo. Oge nwere ike ịbịa na ndụ anyị mgbe anyị gaanọ n'ebe dị anya site n'ebe anyị gaenwe mmetụta kachasị mma nke NdịKraist, ma ka ekwue kwa banyere anyị na anyị naeguzosiike n'okwukwe.

Otù eziokwu ahụ nke bụ na OnyeKraist adịghị abọ̀ọ́bọ̀ mgbe anaakpagbu ya nwere ike ịdị ka ọ bụ ihe náegosi adịghịike n'anya ndị náemegide Oziọma. Ma iguzo dúú wee hụ ka Chineke naalụrụ anyị ọlụ bụ mmeri ahụ. Ọbụná na mgbe mkpabgu maọbụ mgbe ọnwụnwa ihe kwesịrị anyị ime abụghị ịlụrụ onweanyị ọ̀gụ̀ kama ọ bụ icheta Okwu ahụ nke náasị: "Ma Chineke, Ọ̀ gagh-ekpeputa ndi nke Ya arọputara, ndi nākpọku Ya ehihie na abali, O nwe-kwa-ra ogologo ntachi-obi n'ebe ha nọ? Asim unu, na Ọ gēkpeputa ha ọsọsọ" (Luk 18:7, 8). Anyị gụrụ nime ebeọgụgụ anyị na ịhụahụhụ n'ihi Ya bụ otù akụkụ dị ukwu nke Oziọma ahụ dịka ikwere na Ya. Pọl matara ihe ọ naekwu banyere ya, ihi na ọ hụwo ọtụtụ ahụhụ ma ọbụná n'oge ahụ ọ bụ onye mpkọrọ na Rom.

**Ịdị n'otù**

Anaalụ agha nke OnyeKraist n'ụzọ dị iche site n'ihe mmadụ nke bụ anụarụ pụrụ ichè. Ná nchépụta nke onye ụwa, obiumeala agaghị abụ ihe gaemeri ọtụtụ agha. Nime ụwa nke anaalụọlụ ịchụntáego kwaụbọchị, anaele anya na mmadụ ganaegosi inwe ntụkwasịobi n'onweya na n'ike nke aka ya. Ihe Pọl bu n'uche abụghị ikuzi iheọ̀mụ̀mụ̀ banyere ịchụntáego nke anaachụ kwaụbọchị kama otù iheọ̀mụ̀mụ̀ nke kachasi mkpà banyere ibikọta n'ịdịn'otù nime mnwekọ nke Mmụọ Nsọ. Iheọ̀mụ̀mụ̀ ahụ nke ọ kuziiri ha ka anyị naewere dịka iheọ̀mụ̀mụ̀ dị icheiche nke dịrị anyị taa ma naewere kwa ha mee ihe n'inwe mnwekọ anyị nime nzukọ anyị. Ọbụná nime ịnọ n'iheegwù na ndị amamihe nke ụwa gaekwukarị anyị, anyi aghaghị ịdị ndụ nke uche zuruòkè na nke eziomume na nke ịsọpụrụ Chineke n'ụwa nke dị ugbu a. Esemokwu maọbụ ịchọ otuto efù enweghị ọnọdụ nime OnyeKraist, kama ọ gaagụ nwannaya n'onye ka ya onweya mma. Ihe banyee nwanna ya ganaemetụ ya n'obi, ọ bụghị ịnọ náedozi ọtụtụ ihe gaabara náání ya onweya urù. Urù na ọdịmma nke nwannaya naabụ ihe dị ya óké mkpà.

**Uche nke Kraist**

Kraist bụ ihenlereanya anyị. Ọ rapụrụ ihe niile n'Eluigwe wee mee Onweya iheefù, bịa n'ụwa, biendụ nwụọ kwa ka anyị wee nwee ndụ. Anyị gaeso kwa site n'itinye ihe niile anyị nwere iji mee ka Oziọma wee gaa n'iru ka ewee zọpụta ụmụmmadụ. Ihe eji mara anyị, oghere anyị gaejiworị mee ka aha anyị dee udé maọbụ nweta àkụ̀, ka anyị náaghaghị iji ọñụ wezuga n'akụkụ ka Chineke wee were anyị mee ka Oziọma rue ndị furuefù. Onye ahụ nke agụụ Chineke naagụ gaahụ́ nime orù nke Obe ahụ wedara onweya n'ala ịmamma nke Jisọs wee bụrụ onye agaadọrọ nye Ya site na Mmụọ nke Chineke. Mmadụ ahụ onye náadịghị echè échìchè banyere Chineke maọbụ inwe mmetụta banyere mkpụrụobi nke onweya pụrụ ịgụ OnyeKraist dịka onye ajụrụajụ nke ụwa, ma otú a ka emesokwara Ndịozi nke Kraist. Ma ụmụmmadụ ha naañantị maọbụ ha naajụ ịnara ndụmọdụ a niile, Okwu Chineke bụ ihenlere anya na ihenduzi nke OnyeKraist ji ebindụ na kwa ihe naeduru ya rue ebighiebi.

**Ebuliri Kraist Elu**

Chineke ebuliwo Ọkpara Ya elu ma nye kwa Ya aha karịrị aha niile elu. Aisaia Onyeamụma ahụ kwuruokwu banyere Aha ahụ dị ebube mgbe ọ sịrị: "N'ihi na amuworo ayi otù nwa, otù nwanwoke ka enyeworo ayi; ibu-onye-isi gādikwasi kwa n'ubu-ya: agakpọ kwa aha-ya Onye-ebube, Onye-ndum-ọdu, Chineke Nke bu Dike, Nna nke bu Nna mgbe niile ebighi-ebi, Onye-isi Udo" (Aisaia 9:6). Aha ọ bụla nke apụrụ inye Chineke dịka Chi ka apụkwara inye Ọkpara Ya bụ́ Jisọs. Ya na Nna ahụ nọrị mgbe ekère ihe niile, anyị gụkwara: "Ekèrè ihe nile site n'aka-Ya; ekègh kwa otù ihe ọ bụla nke ekèworo ma Ọ nọgh ya" (Jọn 1:3).

Ikpere niile gaegburu Jisọs n'ala otù ụbọchị. Ndị naegburu Ya ikpere n'ala ugbu a naekwe kwa ka Ọ nabata ha ma bụrụ Onyenzọpụta ha naanata nzọpụta Ya. Ma oge naabịa mgbe ndị niile jụrụ igburu Ya ikpere n'ala ugbu a gaeme nke a iji nye Chineke otuto, ma ọ gaabụ mgbe olileanya niile nke nzọpụta gafesiworo. Ịsọpụrụ Ọkpara ahụ na ifè Ya òfùfè bụ ịsọpụrụ Chineke, ma ịjụ ịsọpụrụ Ya bụ kwa asọpụrụghị Nna ahụ.

Nzube nke ndị dị icheiche n'ụwa naabụkarị ka eweda Jisọs Ọkpara Chineke n'ala. Ụfọdụ naagọnarị ịbụ-Chineke nke Ya, ma n'ime nke a ha naagụpụ onweha n'olileanya ọ bụla nke dị banyere nzọpụta ebighịebi. "Aha ọzọ dị iche adigh kwa n'okpuru elu-igwe, nke enyeworo n'etiti madu, nke anāghagh izọputa ayi nime ya" (Ọlu Ndi-ozi 4:12). Jisọs Kraist abụghị Onye náeme onweya ihe Ọ naabụghị. O kwuwara na Ya onweya bụ mbiliten'onwụ na ndụ ahụ. Olileanya nke nzọpụta anyị naadabere n'ịbụ-Chineke Ya na nime eziokwu nke Okwu Chineke. Ọ bụrụ na onye ọ bụla ekwe ka obiabụọ bata nime ya banyere akụkụ ọ bụla nke Baịbụl, n'oge náadịghịanya, ọ gaatụfụ okwukwe niile o nwere n'akụkụ ya ọ bụla. Baịbụl nke Eze Jemes tụgharịrị bụ ntụgharị Baịbụl kachasị mma nke enyeworo ụwa niile náasụsụ Bekee, ọ ka bụ kwa olileanya anyị nke kachasị mma nke ịchọta ụzọ anyị site n'ụwa rue n'Otuto. Baịbụl nke anaakpọ Revised Standard Version bụ nke ọtụtụ nime ndị tụgharịrị okwu ya nwere obiabụọ banyere ịbụ Chineke nke Jisọs; anyị matakwara na obiabụọ dị otú a agaghị eduru mmadụ Eluigwe. Jisọs bụ Ụzọ ahụ, ma ọ bụrụ na anyị enweghịike ịchọta Ya, gịnị gaabụ olileanya nke nzọpụta anyị? Otù ndị ahụ naagọnarị ọ̀mụ́mụ́ Jisọs site na nwaagbọghọ náamaghịnwoke maọbụ ịbụ Chineke Ya gaegbu ikpere ha n'ala otù ụbọchị wee kwuputa Ya, ma nke a gaabụ mgbe oge nzọpụta gafesịworo. Taa bụ ụbọchị nke nzọpụta, ugbu a bụ oge anaanara mmadụ nkeọma.

**NdiKraist Dị ka Ìhè**

Onyeozi ahụ sịrị "Menu ihe nile nejigh ntamu na iru-uka ọ bụla" Nka naegosi na OnyeKraist aghaghị ịbụ onye naemesi ihe ike; ọ ga naeme ihe -- ọ bụghị na ọ ga naakpali maọbụ naachọ esemokwu, kama ọ naeguzoro eziokwu ahụ. Ịnọrọ duu maọbụ ịghara ime ka ìhè ya naenwu n'ihi ịgbanarị mmegide gaabụ ịrapụ uche nke onweonye wee kwenye dịka ndị ọzọ kwere nke sitere n'egwù. Dịka ajọomume na mmehie naabaụba n'akụkụ nile oaú ahụ kwa ka ọ dikarịrị mkpa inwe ìhè ahụ. Site n'irubeisi na ndụnọdụ niile nke dị n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a anyi gaabụ ìhè nke naabami nime ọchịchịrị nke dị anyi gburugbur, anyi gaabụkwa "ndi nadigh ita uta, ndi nāghọgh kwa aghụghọ, ụmụ Chineke ndi anāpugh ita uta n'etiti ọgbọ gbagọrọ agbagọ nke nēnew kwa anya-uhie, ndi anāhu unu n'etiti ha dika ndi nenye ìhè n'ụwa" Ọ bụrụ na anyi emechibido onweanyi ụzọ n'azụ́ mgbidi dị ukwu ka ewee ghara iji mmehie nke ụwa a merụa anyi, olileanya dị añaa ka ụwa gaenwe nke ịhụ ìhè nke Oziọma site n'ebe anyi nọ? kama nka, Jisọs rapụrụ anyi ka anyi naalụọlụ rue mgbe Ọ gaabịaghachi n'ụwa ọzọ. Ọ gawo n'Eluigwe arapụkwara anyi n'ebe a ka anyi wee naenwuru Ya. Mgbe Ọ nọ n'ebe a, O kwupụtara na Yaonweya bụ Ìhè nke ụwa, ma ugbu a Ọ nọ aka nri nke Nna ahụ, anyi bụ ìhè Ya nke naenwu n'ụwa nka.

Ọtụtụ mmadụ edibiwo ịgbaàmà ha ọbụná tụfue kwa mkpụrụobi ha mgbe Onyenweanyi jisiworo ha lụaọlụ. Ha edebeghi onweha nime ịhụn'anya nke Chineke maọbụ rubere Okwu Ya isi. Ha tamuru ntamu, ha kpesaramkpesa, ha rụrụụka nime isiike megide ihe Onyenweanyi gwaworo ha ka ha mee. Anyi bụ ndị nwere onweanyi ịrọrọ ime ihọma maọbụ iheọjọ ma nwee kwa ike nke nrọrọ ụbọchị niile nke ndụ anyị. Ọ bụrụ na anyi arọrọ irubere Onyenweanyi isi, Ọ gaeme ka anyi nwue naaga n'iru rue mgbe chi bọchara.

**Ezigara Ndị naejeozi**

Pọl ebe aturu ya mkpọrọ na Rom, enweghi ike iga leta NdịKraist ndị a bụ́ ndị ọ hụrụ n'anya nke ukwu. O zgara Timọti na Epafrọdaitọs. Ha egosịpụtawo ihe ha ruru na ikwesịntụkwasịobi ha. Ha nyeere Pọl aka ibu ibuarọ nke ọlụ nke Oziọma n'oge garaaga. Ọbụná n'oge gboo ahụ Pọl sịrị na ya enweghị onye ọzọ nke naeguzo n'akụkụ ya, n'ihi na ha niile "nachọ ihe nke aka ha, ọ bụgh ihe nke Jisọs Kraist". Lee ọlụ dị ukwu nke dịrị NdịKraist iguzoro Onyenweanyi n'eziokwu ma bụrụ kwa ndị kwesịrịntụkwasịobi! Ọ bụrụ na ụmụmmadụ adaa, Chineke enweghị atumatụ ọzọ. Ka onye ahụ nke naagụ akwụkwọ a, nwee ike inwu dịka ìhè nime ụwa nka. Ma n'ebe onye ahụ nke akaazọpụtabeghị nọ, ka okwu ndị a dị ebube nke Pọl Onyeozi kwuru kpalie agụụ nime obi gị. "Ngozi nādiri ndi agu ezi omume nāgu, ndi akpiri nākpọ kwa nku na ya: n'ihi na ndi ahu ka afọ gēju" (Matiu 5:6).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ uhe naemetụ Pọl n'obi mgbe o chetara ndi Filipai?
2. Gịnị ka o kwuru na ibiobi (omume) ha aghaghị ịbụ?
3. Ụdị uche dị añaa ka ọ chọrọ ka ha nwee?
4. Gịnị ka ọ siri na Kraist emeworo ha?
5. Gịnị ka o kwuru banyere igburu Kraist ikpere n'ala?
6. Òlee otú ha gaesi bie ndụ ka ha wee bụrụ ìhè nime ụwa?
7. Ònye ka Pọl zubere izigara ha?
8. Gịnị ka o kwuru banyere inye ndịọlụ nke Oziọma ihe n'oge ahụ?
9. Gịnị mere Epafrọdaitos jiri jupụta n'obi mwuta?
10. N'ụzọ dị añaa ka Timọti jiworo so Pọl n'ije ozi nke Oziọma?